# ENWEGHỊ OBIEKELE NKE ỤMỤ ISRAEL

## Ọnu-ọgugu 11:1-35; Abù Ọma 78:17-41

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 99 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "I nye-kwa-ra ezi Mọ nke Gi ime ka ha nwe uche, I gbochigh kwa manna-Gi n'ọnu-ha, I nye kwa-ra ha miri banyere akpiri-ikpọ-nku-ha" (Nehemaia 9:20).**

**I Ntamù Dị Icheiche nke Ụmụ Israel**

1. Ntamù nke ndị ahụ, nke anaagwaghị anyị isi ya, wetaara ha ikpé mberede, Ọnu-ọgugu 11:1; Abù Ọma 78:17; Ndị Filipai 2:14; Ilu 19:3; Jud 16; Ndị Hibru 12:29; 13:5; Deuteronomi 32:22.
2. Ọzọ kwa, Moses gosịrị onweya dịka onye náarịọchitara ha arịrịọ nke kwesịrị ntụkwasịobi site n'ikpere ndị ahụ ekpere, Ọnu-ọgugu 11:2, 3
3. Ntamù ọzọ, nke igwè ndị ahụ gwaraọgwa, malitere mere ka ha jụ nri nke Chineke wee náachọsi kwa nri nke ndị Ijipt ike, Ọnu-ọgugu 11:4-9; Abù Ọma 78:18-25; Ọnu-ọgugu 21:5; Abù Ọma 74:14; 106:13-15; I Ndị Kọrint 10:1-11; 15:33; 2 Ndị Kọrint 6:14; Abụ Ọma 1:1; Ilu 4:14; Jọn 6:31-35

**II Arị rị ọ nke Moses, Ọ̀zị́zá na Ndụmọdụ niile nke Chineke**

4. Ntamù ahụ ruru Eluigwe wee mee ka Chineke wee iwe megide Ụmụ Israel, Ọnu-ọgugu 11:10; Abù Ọma 106:25, 26; Ọnu-ọgugu 14:22, 23; Deuteronomi 9:22; Ndị Hibru 3:16-19
5. Ekpere nke Moses naegosi nghọta nke o nwere banyere adịghị ike nke ya onweya na mkpà ọ dị ka Chineke buru ibu nke ndị ahụ bụ ndị ahụ náenupụisi, Ọnu-ọgugu 11:11-15; I Ndị Eze 19:4-8; 2 Ihe Emere 20:12
6. Agwara Moses ka ọ rọpụta iri mmadụ asaa ndị anwapụtaworo ọ bụghị ndị ana anwapụtabeghị, ọ bụghị ndị bụ ndị ọhụụ, ka ha nyere ya aka, Ọnu-ọgugu 11:16, 17; 1 Timọti 3:8-10
7. Chineke ziri Moses ozi maka Ụmụ Israel, bụ onye gwara Chineke banyere ịdị ukwu nke arịrịọ ha, Ọnu-ọgugu 11:18-23
8. Etere iri ndịokenye asaa (70) ahụ mmanụ n'ihi ọlụ nke enyere ha ịlụ, ụdị, maọbụ ezi Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ nke akwadoro inye iji tee ndị Kraist manụ na inye ha ike mgbe Kraist nwụsịrị ma rịgoro kwa n'Eluigwe, Ọnu-ọgugu 11:24-30

**III Ihe dị Icheiche nke Ntamù Ụmụ Israel Lụpụtara**

9. Chineke zitere nnụnụ quail, n'ụzọ ọlụebube, iji mee ka afọ ju ndị ahụ n'ọchịchọ ha niile, Ọnu-ọgugu 11:31, 32; Abù Ọma 78:25-29; 105:40, 42
10. Arịrịọ ahụ nke sitere na ndụmọdụ ọjọọ, nke anaedozighị dịka uche Chineke si dị, wetaara ha ụgwọ ọlụ ọjọọ dị icheiche, Ọnu-ọgugu 11:33-35; Abù Ọma 78:30-33; 106:15; Aisaia 10:15, 16; Matiu 6:10; 26:39; Jọn 7:17; I Jọn 2:17; 5:14, 15
11. Nchègharị ha, mgbe ha nọ ná nsogbu, abụghị ụdị nke pụrụ ime ka obi dị Chineke mma, Abù Ọma 78:34-37, 40, 41; 95:8-11; 2 Ihe Emere 7:14; Aisaia 55:7; Joel 2:13; Abù Ọma 66:13-15
12. Otú ọ dị Chineke chetara na ha bụ náánị anụarụ, wee gbaghara ajọ omume ha, O bibighị kwa ha n'ihi mmehie ha, Abù Ọma 78:38, 39; Aisaia 40:6-8; I Pita 1:24

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Omume Ahụ Nke Eji Mara Ha bụ́ Ịtamùntamù**

Iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị naamalite site ná mkpụrụokwu olenaole nke pụrụ ime ka obi onye náagụ ya daa mbà, n'ile ya anya na mbụ ma kama otú ahụ ọ naagba ya ume ka ọ náatụle ha site n'ileba ihe niile mere nime na gburugburu ọmụma ụlọikwuu nke Ụmụ Israel anya mgbe ha naamalite nwagharị ha. "Ndi ahụ nātamù ntamù" megide Chineke na ndị Ya Ọ rọpụtara site na mgbe rue na mgbe -- ọbụná karịa otú a – tutu rue mgbe ntamù ha fọdụrụ ihe ntà ka ọ bụrụ àgwà ha. Ma nime oge ntamù nke a, ikpé dakwasịrị ha ngwangwa mgbe ha saghepụrụ ọnụ ha náatamùntamù nke enweghị okwukwe ha. "Ọku nke JEHOVA we re n'etiti ha" igosi ha na àgwà nke obi ilu ha adịghị mma.

Moses jekuru Chineke ọzọ dịka ọ naeme ọtụtụ mgbe garaaga n'ihi ndị Israel ahụ. Jehova wee nụrụ ekpere ya ewee menyụa kwa ọkụ ahụ nke naere ere ewee napụta ndụ ọtụtụ mmadụ. Ma nke ahụ emeghị ka ntamù ahụ kwụsị maọbụ mee ka obi nke ndị Israel tụgharịa ịlaghachikute Chineke, dịka mmadụ nwereike ichè na ọ gaadị. Ìgwe ndị gwaraọgwa esowo ha si n'Ijipt pụta ma ndịa ejighị obi ha niile náeso Chineke, maọbụ irubere Ya isi dịka ha kwesịrị. Ìgwe ndị ahụ gwaraọgwa "we chọ ajọ ọchichọ," Ụmụ Israel wee bụrụ ndị adọrọworo baa nántụpụta ọjọọ ha, ha wee kwaa kwa ákwà ná ntamù ọzọ megide Chineke n'ihi nri ha gaeri.

**Ihe egwù ahụ nke Dị ná Mkparị kọta Ọjọọ Niile**

Onye Kraist aghaghị ilezianya n'ịrọrọ ndị ha na ya gaesokọrịta maọbụ náakpakọrịta. Ọ naebi nime ụwa nke mmehie juru, náeso ndị bi nime ya alụkọtarịta ọlụ, na n'ụzọ ụfọdụ, kwa naebi kwa n'etiti ndị náamaghị Chineke. Ma onye Krasit aghaghị ịmazu ihe egwù nke dị n'ịkparita nso ya na onye ọ bụla nke dị n'otù "igwè gwara ọgwa," ka ọ ghara ịkpọkwasị onweya mmehie nke òtù ndị ahụ maọbụ ikwe ka achọta ya n'etiti ha karịa n'etiti ụmụ Chineke. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị Ụmụ Israel kwara ákwá maka nri nke Ijipt kama nri nke Eluigwe!

Ntamù niile nke ìgwè ahụ gwaraọgwa mere ka ndị Israel chefue ihe ọjọọ niile náemebi obi bụ́ nke emere ha n'Ijipt. Ha chetara nri dị icheiche ahụ, ma chefue ihe niile dị icheiche ha kwesịrị inwe nke anapụrụ ha. Mkpà ha niile ka egboro nime ọzara. Chineke arapụghị inye ha manna mgbe ọ bụla, dịka O kwere ha ná mkwà. O nyewo ha anụ ka ha rie otú O si hụ́ na o kwesịrị ha (Abù Ọma 74:14). O mewo kwa ka isiiyi mmiri si na nkume sụpụta, mee ka ọdọ mmiri ọzọ dị ilu wee dị ụtọ ka ha wee ñụọ. Ntamù ha abụghị ntamù nke ndị náenweghị nri gaezuru ha kwa ụbọchị dịka mkpà ha si dị. Kama, ntamù ha bụ̀ ngosi nke omume anụarụ, nke ọchịchọ ọjọọ na nke ekwenyeghị na Chineke nke Eluigwe na ala, nke enweghị obi ekele n'ihe niile Chineke nke Abraham mewooro ha.

O nweghị mmehie náeleli Chineke dịka mmehie nke ekweghịekwe. Ọ gbawo mkpọrọgwụ riinne nime obi ụfọdụ mmadụ nke bụ na asịkwarị na Chineke emee ihe ịrịbaàmà nke kachasị ukwuu ha gaanọgide kwa náenwe obi abụọ na Ọ pụghị ịrọpụtara ha ihe ndị ahụ dịkarịsịrị ntà nke náakpá ha mkpà. Obi ahụ nke náekweghị ekwe agaghị ekwe na ihe banyere mmadụ naemetụ Chineke n'obi dịka obi nke okwukwe naaghọta na ọ naemetụ Ya. Onye ọ bụla aghaghị ịnaenyocha obi ya mgbe ọ bụla ịhụ́ na onye iro nke mkpụrụobi ya akụnyebeghị mkpụrụ nke mmehie a dị njọ nime ya.

Ndị Israel chọtara amara n'iru Chineke karịa mba ndịọzọ, ma ọ dị ka ewezuga náání mba olenaole na ọ bụ ha karịchara ná ndị náenweghị obi ekele – rue mgbe anyị lebara anya n'ọnọdụ nke obi anyị ma ọ bụrụ na ọ bụghị amara nke Chineke nke ná agbanwe ndụ. Manna siri n'eluigwe daara ha, ma ha ji ntamù na mwute dị icheiche kwụghachi n'ọnọdụ nke a. Nkume ahụ nyere ha mmiri iyi nke mmiri náenye ndụ, ma ha jiri ihe ọjọọ dị icheiche kwụghachi. Chineke arapụghị ha mgbe ọ bụla otù mgbe, Ọ naarọpụtara ha ihe n'ụzọ niile dị ebube, ma ha nwere obi abụọ na O nwereike inye ha anụ ha gaeri.

Ike nri nke Eluigwe agwụwo ha nke mere ha ji chọọ ihe ọzọ -- ihe ọzọ nke ha onweha na Chineke matakwara na ọ baghị urù nye ha iji dị ndụ. Mgbe ha tamuru maka mmiri na Masa ha nwereike nwee ihe ntakịrị iji gosi ihe mere ha ji mee ụdị omume dị otú a, ebe ha naarịọ ihe dị óké mkpà nye ndụ. Mmehie ha na mgbe ahụ bụ ịtamù kama ikpé ekpere! Ma n'ebe a ha nwere ọchịchọ n'ihi ihe náadịghị mkpà. Ọ bụ ihe jọgburu onweya ịrapụ ịtụkwasị Chineke obi mgbe échìchè anyị dị nzuzu nke náadị kwa nwa oge náeche na o kwesịghị ịtụkwasị Ya obi n'ihe ndapụta dị óké mkpà; ma ọ kachasị njọ mgbe ihe ndapụta ahụ bụ náání iji anya ike nwee anyaukwu n'ihe náadịghị óké mkpà.

Mmụọ náenweghị ojujuafọ naatụle na ọ gaachọta ihe ụtọ site n'ihe ahụ nke anaachọghị inye ya; ma mmụọ dị otú a adịghị achọta iheụtọ ọ bụla nye onweya mgbe emezuru ọchịchọ ya. N'ụzọ ọzọ okwukwe adịghị atamù mgbe ọ bụla kama ọ naenye ekele mgbe niile náanabata kwa omume ọma emesoro ya. Asị na Ụmụ Israel bịaruru Chineke nso kama ịnọ nso ìgwè ndị ahụ gwaraọgwa, ha gaachọtaworị ịdị ọhụụ na manna ahụ nke Chineke rọpụtara ha ka ha rie kwa ụbọchị. Olu nrò nke ákwá ntamù ha kwesịrị ịbụ, olu ọñụ dị elu nke abụ̀ ekele na otuto. Ka anyị kelee Chineke n'ihi ngọzi anyị niile kama ịtamù n'ihi ihe niile ahụ nke anyị chere ha dị anyị mkpà.

**Ekpere nke Ịrị ọchita Arị rị ọ**

Moses matara ihe nzuzo nke náeweta ezi mmeri n'ọlụ nke Chineke, ịrịọrọ ndịọzọ arịrịọ. Ọ matara na ntamù niile, ọchịchọ ọjọọ niile na nnupụisi niile dị icheiche gaabụ nlụpụta nke ihe anaahụ́ anya nke obi ndị ahụ nke jupụtara ná mmehie, bụrụ kwa nke anaapụghị ịnagide ma ọ bụghị na Chineke n'Onweya nọgidere n'ịbụ Onye ndú ha. Ọ matara na ya adịghịike ịnagide nsogbu nke ndị ahụ ndị nọgidere náachọsiike ịlaghachị azụ n'Ijipt.

Anyị nwereike ịmụta ọtụtụ ihe site n'omume nke Moses mere n'oge a. Ụfọdụ arọrọwo ịma Moses ikpé banyere omume ya n'ikpere ha ekpere n'oge a. Ha gaagwa anyị na Moses kwesịrị ịbụ n'onwe ya "ide" nke náagaghị etiji n'ihi ibu ahụ atụkwasịrị n'elu ya, náagbanyeghị otú ọ bụla ọnọdụ si dị. Ma Moses bụ náání mmadụ, ọ bụ ezie na ọ bụ ụdị nke Onyeukwuu ahụ náarịọrọ ndịọzọ Arịrịọ nke gaje ịbịa. Ibuarọ nke ndịa dị ukwuu nye Moses maọbụ mmadụ ọ bụla ọzọ, ibu náání ya. Ọ ghọtakwara adịghịike ya ibu ya. Ọ dịghị ihe ọjọọ dị n'ịghọta na anyị adịghịike, n'onweanyị dịka mmadụ, ime ihe Chineke gaachọ ka anyị mee. Ọ dị mma ka mmadụ ghọta na izuókè ya na ume ya sitere na Chineke, na ọ ghaghị ịnata inyeaka site na Chineke maọbụ daa n'okpuru ibu ahụ. Inyeaka anyị esiteghị n'onweanyị. Ọ ghaghị isite na Chineke bịa.

Ọ bụ náání onye pụrụ iburu njehie niile nke mmadụ. Onye ahụ karịrịkwara mmadụ. Ọ bụ Kraist Jisọs. Site nime adịghịike nke nwoke ukwu a bụ Moses, dịka o kwupụtaworo, anyị nwekwaraike ịmụta ezi urù ọ bara bụ́ ogbugbo nke Onye ahụ Ya Onweya buuru "nmehie nile ayi n'aru-Ya n'elu osisi," na mkpà inyeaka nke Chineke dị anyị n'oge ọ bụla.

**Mkwà Nke Chineke**

Ọ̀zị́zá nke Chineke nyere jikọtara mkpà na arịrịọ niile nke Moses na nke ndị ahụ. N'ihi Moses òtù nnọkọ ikpé nke iri mmadụ asaa ka agaarọpụta site n'etiti ndịokenye nke ndị ahụ. Mgbe ahụ Chineke gaenye ha ike tee kwa ha mmanụ n'ụzọ pụrụ iche maka ọlụ ahụ. Ndị ahụ gaanata kwa ihe ha rịọrọ, ha gaenwe kwa ike iriju afọ ha nkeọma site n'anụ ahụ dịka mkpụrụobi ha chọsiworo ya ike. Nke a bụ mkwà nke enwere obi abụọ nime ya, nke mmezu ya gaabụ ihe karịrị échìchè ha.

Mgbe Moses nwara ịgụkọ ihe agaeme ka mkwà a dị mfé n'ụzọ ịbara ya mbá, ma aka Jehova Ọ̀ ghọwo mkpụmkpụaka, nke náagbaama ọzọ banyere ike Ya na Ọ pụrụ ime ọbụná ihe a nke dị ndịa mkpà nke ha naachọsi kwa ike. Ikwu na aka mmadụ dị mkpụmkpụ, na nghọta nke ndị Hibru, bụ ikwu na o nweghịike maọbụ na ọ pụghị ime ihe ọ bụla. Ọbụná n'etiti ndị Arab na Persia taa ikwu **aka ogologo** pụtara **ike**, ebe **aka mkpụmkpụ** bụ **adị ghị ike.**

Chineke nyere Moses ike ịrọpụta iri mmadụ asaa (70) site n'etiti ndịokenye Israel na ịkpọbata kwa ha n'Ụlọikwuu. Moses bụ náání mmadụ onye pụrụ ikpé ha ikpé ma ha kwesịrị maọbụ na ha ekwesịghị. Chineke naemejupụta ndị ndú Ya Ọ rọpụtara n'amamihe maka ọlụ ọ bụla Ọ naenye ha – mgbe ahụ na kwa ugbu a! (Gụọ I Ndị Eze 3:4-14). Ọ bụghị ndị ahụ rọpụtara ndịkom ndịa, kama ọ bụ Chineke doro ha n'ọnọdụ ha site n'aka Moses, Chineke n'onwe Ya naatụzikwara ya aka. Ọ dịghị kwa onye ọ bụla tozuru òkè maọbụ nwereike ịrọpụta ndị gaanọchi ọnọdụ dị icheiche n'ọlụ nke Chineke karịa onyendú, maọbụ onye nlekọta (Overseer), bụ́ nke Chineke doro ilekọta ọlụ Ya. Onye ahụ bụ onye Chineke naedú dịka ọ naejere Chineke na ndị ahụ ozi. Moses, dịka ezi onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ na onye ndú, mere dịka o nwere mmetụta na Chineke chọrọ ka o mee, wee rọpụta kwa ndị ọ matara na ndị ọ ghọtara na Chineke chọrọ ka ọ rọpụta. Ọ bụ onyendú kwesịrị ntụkwasị obi, o kwesịrị ntụkwasịobi n'ebe Chineke na n'ebe ndị Israel nọ.

Mmadụ abụọ nime ndịkom ahụ arọpụtara enweghịike ịbịaru n'Ụlọikwuu ahụ n'ihi ihe mgbochi nke anyị náamaghị ugbu a ma amazuru ya n'oge ahụ. Ma nke ahụ egbochighị ha ịnata ike na otite mmanụ ahụ dịka irimmadụ isii na asatọ ahụ ndị guzoro n'iru Chineke n'ụlọikwuu ahụ natara. Chineke ewerewo onyinye dị icheiche pụrụ iche nke ike Ya na Mmụọ Ya mejue ndị nke Ya, n'oge niile nke akụkọ ụwa, nye kwa ha ike ịga n'iru n'ịlụ Ya. N'oge Agba Ochie Mmụọ a nke náenye ike naabịa n'ihi ọlụ pụrụ iche na n'oge ọ dị mkpà adịghị kwa enye Ya ibinyere mmadụ na ite ha mmanụ dịka ọ malitere ịdị site na mgbe ahụ awụpụrụ ya nke mbụ n'oge nke Chọọchị. Anyị nwereike ikwu na ngosi a nime mmalite akụkọ nke Ụmụ Israel, bụ ezi, maọbụ ụdị, nwụpụ ahụ nke gaje ịbịa n'oge ikpéazụ mgbe ọ náagaghị abụ nye náání mmadụ olenaole ahụ akpọrọ òkù pụrụ iche ịnata òzùzùòkè ya, kama tinyere ndị niile ahụ ruru ọnọdụ ịnata ya, ndị "ji otù obi" náekpeekpere, ndị edowokwara nsọ zuruòkè (Joel 2:21-32; Ọlu Ndị-ozi 2:1-21).

**Ụgwọọlụ nke Agụụ na Ọchị chọ Ọjọọ**

Mgbe náadịghị anya otù ifufe wee si n'ebe Chineke nọ bute nnụnụ quail n'ọmụma ụlọikwuu nke Israel. Chineke zitere nnụnụ quail, nrọrọ ụtọ nke dị ha mma, mgbe o kwesịrịrị izitere ha ọkụ na brimstone! Ma ebe ntamù ha bụ ihe emere n'ụzọ ịgọnarị ike O nwere inye ha ihe náakpà obi ha, Chineke, ná mmalite, gosịrị ha ike Ya, iji mee ka ajọ ekweghịekwe ha pụta ìhè nye onweha na anyị onwe anyị kwa. Mgbe ahụ O nyere ha ahụhụ nke kwesịrị ha.

Ihe ụtọ ha bụ náání nwaoge ntà. Mgbe anụ ahụ naadị n'ézé ụfọdụ, tupu atabie ya, iwe Jehova wee dị ọkụ megide ha ewee were iheotiti dị ukwuu tie ha. Ọñụ ha na óké oriri nke ha nọ nime ya wee bie n'òlilìozù nke ìgwè mmadụ.

Ha enwghị ojujuafọ na nrọpụta ahụ zuruezu enyere ha maka mkpà ha nke ụbọchị ọ bụla, dịka Chineke chọrọ ka anyị nwee afọojuju ma n'ihi ọchịchọ anyaukwu ha, ha chịkọtara ọtụtụ nnụnụ ahụ wee gbasa kwa ya n'elu ala ka ha kpọọ nkụ̀. Ihe ha bu n'obi n'ime nke a bụ ịkwado maka mkpà ha n'ọdịn'iru. Ha tamuru ntamù mgbe ha náenweghị ihe ọ bụla ha gaeri, ma Chineke nyere ha manna kwa ụbọchị. Ha wee tamue ntamù banyere manna ahụ, ugbu a kwa Chineke enyewo ha igwe nnụnụ quail dị ndụ n'ụzọ dị ebube nke anyị náadịghị agụta na ha nyere Chineke ekele n'ihi ya ọbụná otù mgbe.

Ha enwewọrị obi abụọ na Chineke nwereike, maọbụ pụrụ izitere ha anụ ka ha rie mgbe ha tamurù banyere ya. Ugbu a kwa ha nọgidere náenwe obi abụọ n'ebe Ọ nọ. wee site n'omume ha náegosi na ha ekweghị na ọ bụ Ya nyere ha anụ ahụ kama na ọ bụ nnọọ ihe ndaba maọbụ iruọma ha nweworo. Ha gosịrị nkeọma site n'omume anyaụkwu ha na ọ bụ ohere ha nwere bụrụ kwa nke ha náaghaghị iji mee ihe mgbe ọ dị ha n'aka, na eleghịanya ọ gaghị adị ọzọ. Ụfọdụ agbakọwo ya na onye naachịkọta nke ntà chịkọtara ihe ra ka bushel iriasatọ.

Ekweghịekwe nke ndịa bụ eburu pụta ụwa náenwghị nghọta, dịka ihe anaahụ́ anya siri dị. Ihe ịrịbaàmà nke amara na nke ikpé emeghị ihe ọ bụla n’ịgbanwe obi ekweghịekwe ha. Ha ga abụworị ndị emere ka ha nọọ n’óké mgbagwojuanya dị egwu mgbe ha hụrụ aka nke Chineke ka o setiri n’arụ̀ ha, ma apụghị ime ka ha kwere! Otù onye ekwuwo na ekweghịekwe na ịnọgidesiike ná mmehie naagakọta n’otù. Ụmụ Israel hụrụ mmehie ha n’anya ha apụghị kwa ịrapụ ya, ya mere ha gara n’iru n’ekweghịekwe ha ka ha wee náanọgide nime mmehie ha. Ka anyị kpeeekpere ka Chineke tinye nime obi anyị ịhụn’anya maka inwe obi dị ọcha na iguzosiike n’ikwere Okwu Nsọ Ya.

Onye dere Abù Ọma naagwa anyị na ha chọrọ Chineke n’ọtụ̀tụ̀, náajụ kwa ase Ya n’ụzọ pụtara ìhè, ma ire ha naekwu náánị okwu ụgha ekpere ha bụ kwa náánị ihe efù. Obi ha ezighịezi n’ebe Chineke nọ. Ha enweghị ọchịchọ n’ebe Ọ nọ karị ihe ọ bụla ọzọ. Ha enweghị agụụ ime uche Ya maọbụ ikwu ka emee uche Ya nime ndụ ha. Ha chọrọ ụzọ nke aka ha. Ma Chineke nwere ndidi na ogologo ntachiobi were kwa amara mesoo ha, náecheta na ha bụ náání ájá na ha dị kwa ka ahịhịa na okokoosisi nke ubi nke náachanwụ achanwụ.

O, lee otú ịdị ukwu nke ebere Chineke ra! O sitere na “mgbe ebigh-ebi we rue mgbe ebigh-ebị” (Abù Ọma 106:1); ọ dị “uku kari elu nke elu-igwe” (Abù Ọma 108:4); o juputakwara nime ụwa (Abù Ọma 119:64).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ikpé ọkụ̀ Chineke ji ree n’ọmụma ụlọikwuu nke  Israel?
2. Gịnị ka Moses mere mgbe ọkụ̀ a bịara?
3. Òlee ebe ka ntamù banyere manna si malite?
4. Òlee ihe anyị nwereike ịmụta site n’iheọ̀mụ̀mụ̀ a banyere  ịrọrọ ndị anyị na ha gaakpakọrịta na ndị enyi anyị?
5. Gịnị ka Ụmụ Israel chọrọ kama manna ahụ?
6. Gịnị ka inwereike ikwu na ọ bụ mmehie ha mgbe ha naachọ ihe ahụ kama manna ahụ?
7. Onye bụ nwoke ukwu ọzọ nke Chineke ma ewezuga Moses, onye kpereekpere mgbe ọ nọ ná nsogbu nke enweghị ọlileanya, yiri ekpere a Moses kpere n’oge a?
8. Chineke Ọ̀ nụrụ ekpere Moses? Gịnị bụ́ ọ̀zịźá Ya, ma ọ  bụrụ na Ọ nụrụ ya?
9. Gịnị ka Chineke mere n’ịzaghachi ntamù nke Ụmụ Israel?
10. Gịnị bụ ụma dị ukwu nke Chineke nke egosiri ná mmekọ  niile nke Ya na Ụmụ Israel?